Journal of Modern European Languages and Literature (JMEL)

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

ỤFỌDỤ NDỊICHE DỊ N'ETITI OLUNDỊ ENUGU EZIKE NA IGBO IZUGBE

Si n'aka

S.O. Ezeomeke

(Chief Lecturer)

Email: ezeomekeso@gmail.com

08033634065

Federal College of Education,

Ehaamufu, Enugu State.

ỤMỊ EDEMEDE

Isiokwu nchọpụta a bụ "Ụfọdụ Ndíiche dị N'etiti Ọdịdịụdassụsụ Olundị Enugu Ezike na Igbo Izugbe". Iji mee nchọpụta a nke ọma, anyị lebara anya n'ọtụtụ akwụkwọ ndị mmadụ derela gbasara olundị na Igbo Izugbe. Na nchọpụta anyị, anyị ghọtara na ọ bụ site n'olundị a nabatara ka e ji enweta asụsụ Igbo Izugbe. Olundị Enugu Ezike abụghị asụsụ nke aka ya kama ọ bụ otu n'ime ọtụtụ olundị dị n'asụsụ Igbo Izugbe. Ọ bụ ezie na Enugu Ezike bụ obodo buru nnukwu ibu, ọ bụkwa eziokwu na obodo ahụ anọghị n'etiti ala Igbo ebe asụsụ Igbo Izugbe na-ekpo ọkụ mana ha bụ ndị Igbo, bụrụ ndị na-asụ Igbo n'agbanyeghi na ha nwere ụdaume itoolu ebe Igbo Izugbe nwere asatọ. E lebawa olundị ndị ọzọ dị n'Igbo Izugbe ma ọ bụ n'asụsụ ọ bụla anya, a ga-ahụ ndịiche. Ọ bụghị n'ihi ndịiche ndị ahụ ga-eme ka a kpachapụ olundị ahụ n'ebe asụsụ Izugbe ahụ dị. Ha ka nọkwa n'asụsụ Izugbe ahụ. Ọ bụ nke a mere anyị ji kpebie na olundị Enugu Ezike akwụụrụghị onwe ya dị ka asụsụ nke aka ya kama ọ bụ asụsụ Igbo.

Denye usoro (u method) [gbasoro mee nchqchaa.

OKWU MMALITE

Akụkọ gbasara ebe ndị Enugu Ezike si bụ onye kọta, ọ kọrọ gawa. Otu akụkọ lebara anya n'amụmamụ maka ihe agba ochie na Nsụka nke Hartle

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

(1978) kwuru maka ya gosiri na e nwere ọtụtụ ihe nhụbaama na-ezipụta ihe obibi ndị Enugu Ezike n'ụdị ihe e gwupụtara n'ala na ihe a hụrụ anya dị ka ọhịa arụsị, ọgba mkpume, (okwute e kpokoro ọnụ) ụlọ ochie bụ nke dị iche n'ụlọ agba ọhụrụ nke ugbu a, okpe (mgbidi siri ike na ogologo olulu e ji ezonarị ndị iro), ọgbọnọ/ụụkpa/ujuru/adọ (ugiri). Dị ka Hartle si kọwa, o kwuru n a ụfọdụ osisi ndị a anọọla ihe dị ka naarị afọ ise nke na e ji ha efo ifo n'Enugu Ezike.

E nwekwara ike isi n'ihe amụmamụ maka ihe agbaochie nweta ozi maka ihe ochie n'Enugu Ezike. Ihe ọmụmaatụ bụ ọkụ ụtaba, bụ nke e nwetara n'ugbo na Mahadum Nsụka bụ nke a na-atụ anya na ọ nọọla ihe dị ka puku afọ atọ. Ihe ndị ọzọ bụ ite mmiri, itemmụọ, mbodo, akere okwose (oku e ji eri nri), Akere ọwụwụ eshị (ọkụ e ji asa ahụ) dgz. Ihe ndị a bụcha ngwa e ji ebi n'ụlọ na ngwa ofufe arụsị bụ ihe ndị a na-atụ anya na ha anọọla ihe dị ka puku afọ abụọ. Ihe nchọpụta ndị a na-egosi na Enugu Ezike nwere ike ọ bụrụ na o biela ihe dị ka puku afọ atọ (Apeh 2006).

Akụkọ nke abụọ bụ akụkọ ọnụ anyị na-enweta na-egosi na Ezike bụ nwa Ataa n'Igala dị na Kogi Steeti. Akụkọ a na-egosi na Ezike si Igala chụrụ nta bata ebe a na-akpọ Ugwueka ebe ọ nọrọ jide anụ ahụ ọ na-achụ. Ezike lere anya na ndịda ugwu ahụ wee hụ ebe añụrụ ọkụ na-atụli wee gaa jee gụrụ ọkụ o ji ahụ anụ ya. Ezike bịazịrị nọdụ n'elu ụgwu ahụ na-egbu anụ na-ahụ. Ka Ezike na-aga na nke Maazị Ẹkọyị na-agụrụ ọkụ, ọ dabaara ya na nwa ya nwaanyị o wee lụrụ ya. Ọgọ ya, Ẹkọyị kpọdatara ya n'ala wee nye ya nnukwu obosara ala ebe ya na nwa ya ga-ebi. Ọ bụ n'ala ahụ, bụ nke ndị

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

Enugu Ezike na-akpọ “ufu” ka Ezike nọ wee mụọ ụmụ ya anọ bụ Ezeodo, Ẹsọdọ, Itodo na Ozii bụ ndị mụbara obodo a na-akpo Enugu Ezike taa. (Johnson 1934).

Otu akụkọ ọzọ gbasara ebe Enugu Ezike si bụkwa akụkọ ọnụ, bụ akụkọ a malitere kọwa bido n’afọ 1970 ka agha Naijiria bichara. Akụkọ a na-akọ na otu nwoke onye Enugu Ukwu pụrụ njem zọrute n’obodo a na-akpọ Enugu Ezike. Nwoke a bụ dinta nke na ọ bụ enyi ọ gbara egbe ka o sogidere wee rute n’obodo a. Ka o rutere ebe ahụ, ọ hụrụ na o nweghi onye bi na nnukwu obosara ala ahụ. Ọ gaghachiri azụ gaa kọọrọ ndị be ha ihe ọ hụrụ. Ha gwara ya sị ya chighaa azụ gaa biri ebe ahụ. Nwoke a alaghachiri azụ gaa biri n’akụkụ Ẹkọyị. Kemgbe ahụ, ndị Enugu Ezike jizi ebe ahụ mere ala nna nna ha. Iji kwado akụkọ a, ndị Enugu Ukwu ka na-egosi ma taa na e ruo n’Enugu Ukwu, na o nwere ukwu osisi ụdara dị n’obodo ahụ ndị Enugu Ukwu ka na-akwanyere nnukwu ugwu n’ihi na ọ bụ ụdara Ezike kụrụ. Akụkọ kọrọ na ma ruo oge a, a na-ede akwụkwọ a na ya bụ ukwu ụdara ka nọ. Nke a bụ ihe e kwesiri ime nchọpụta maka ya.

N’uche nke Afigbo (1978) Enugu Ezike ka bịara ọhụrụ ebe ha bi. Ọ na-akọwa na o nwere mpaghara ụfọdụ n’ime ha bụ ndị Igala, ma ọ bụ nọ n’aka ọchịchị ndị Igala.

Ihe anyị ga-amụta n’akụkọ ndị a bụ na ihe ndị Hartle (1975) kpọgasịrị aha bụ ihe dị, ma ọ bụ dibu n’Enugu Ezike n’agbanyeghi ọbịbịa ndị ụka Kraịst. Nke abuo bụ na Enugu Ezike na ndị Igala nwere mmekọ nke nwere ike imetụta olundị Enugu Ezike. Nke atọ bụ na o nwere onye kwapụrụ n’ebe o

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

bi buru asụsụ ya gaa ebe ahụ. Ihe nchọpụta ndị a ga-enyere anyị aka ịtule ihe gbasara olundị Enugu Ezike na Igbo Izugbe.

OLUNDỊ

Ihe e ji mara asụsụ ọ bụla bụ na o nwere Izugbe nwee olundị. Olundị bụ nke ụfọdụ na-akpọ ọlụasụsụ ma ọ bụ olumba, pụtara ụzọ dị iche iche obodo a mara ama si ekwu okwu, ọ bịa nwetụ ihe dị iche na nke ọha agbụrụ nke obodo ahụ nọ n'ime ya si ekwu, bụ nke a na-akpọ Izugbe. Ihe olundị ji dị iche n'izugbe bụ site na mkpọpụta okwu, ụtọasụsụ na mmebeokwu. (Hartmann and Stork 1973).

Dị ka Horton (1995) si hụ ya, ọ sị na ọ na-abụ o nwee ka ihe si wee mee, ndị na-asụ otu asụsụ agbasaa kewaa gaa ebe dị iche iche. Mgbe nke a mere, otu asụsụ ahụ ndị ọ bula ji wee pụ amalite nwewe mgbanwe n'ihe ha na-asụ nke na ọ gaghịzị enwe ndị na-asụ nke ha na-asụbụ tupu ha ekewaa. Mgbe ụdị ihe a mere, ihe a ga-enwe bụ olundị dị iche iche kpokobere ọnụ bụrụ otu n'ebe dị iche iche. Nke a gawa n'ihu, ihe a ga-enweta bụ ihe Horton (1995) kpọrọ " daughter languages" ebe Nwaozuzu (2008) sị na Ikekonwu (1985) kpọrọ ya "satellite dialect". Nke ọzọ bụ na ka ha na-anote aka na nkewa ha, ka asụsụ ha na-adịwaga iche.

Steti Kogi na

W

N'agbanyeghi nke a, site na mgbasa ndị a gbasara, ụfọdụ nwere ike garuo na nsọtụ ebe oke ala ha na agbụrụ asụsụ ọzọ, nọdụ ebe ahụ. Nke a ga-eme ka asụsụ ndị ahụ banye na nke ha, Nke ha onwe ha, abanyekwa na nke ndị ahụ. Horton (1995) kwuru eziokwu n'ihi na o nwere ike bụrụ nke a

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

mere ihe kpatara ndị Enugu Ezike ji nweta ọtụtụ mkpụrụokwu site n'asụsụ ndị agbataobi ha bụ Igala na Idoma nọ na Kogi Steti na Benue Steti.

Ndị Enugu Ezike bụ ndị mpaghara Igbo bi na mgbago ala Igbo ma a gafechaa Nsụka. Ebe a na-enweta ha kpọmkwem bụ ma a na-agbago Ugwu Awusa. Ha bụ ndị ikpeazụ a na-enweta ma a banye Kogi na Benue Steti.W Ha buru nnukwu ibu n'ọnụọgụgụ. E kwuwe maka ndị Waawa, (Ikekeonwu 1986), Enugu Ezike so n'obodo a na-akpọ ndị Waawa. A na-akpọ ha ndị Waawa maka na ọ na-abụ ha chọọ isi "mba", ha asị "waawa". Ndị akụkụ Udi na-asị "wa" ebe ndị akụkụ Enugu Ezike na-ekwu "wọwa". Ọ bụrụ ka Okoroafor (1978) si kwu ya, ọ sị na a na-enweta mmadụ ruru naari isii na iri abụọ na ise maka otu Kilomita nkomgbaanọnha.

Ea nwere olundị dị n'asụsụ Igbo. Asụsụ dị n'uwa bara ụba. Ya mere na agbụrụ ọ bụla nwere asụsụ nke ha, bụ nke dị iche na nke agbụrụ ndị ọzọ. Asụsụ ọ bụla nwere olu e ji asụpụta ya nke mere na obodo dị iche iche nwere olu dị iche iche ha ji asụ asụsụ. Ọ bụ nke a mere na asụsụ bụ otu mana olu dị n'iche n'iche bụ ihe kparatara ndị Igbo ji asị na Igbo na-asụ n'olu n'olu mana ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. O nweghi asụsụ enweghi olundị e ji asụ ya. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere ụdị olundị dị iche iche. E nwere olundị Ọnịcha, Nsụka, Abakeleke, Owere, Ụkwụanị, Enụanị, Ọhafịa dgz.

Olundị bụ olu onwe nke obodo ọ bula ji asụ asụsụ agbụrụ ha. Ọ bụkwa olu a ka e ji mara obodo ahụ. Omenaala ha na ihe niile ha ji biri e ji mara ha na-

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

apụta ihe n'olundị ha ahụ. Ebe a na-enweta ndịiche n'olundị dị n'asụsụ na-abụkarị n'ụdaume ma ọ bụ na mgbochiume dị n'olundị ahụ bụ nke adịghị n'asụsụ Izugbe ma ọ bụ nke dị n'asụsụ Izugbe ma ọ dịghị n'olundị ahụ.

N'akwụkwọ Ezeomeke (20 11) o gosiri na ụdaume Igbo dị asatọ ebe mgbochiume dị iri abụọ na asatọ. Okoreaffịa (1974) kọwara na ndị Otu Iwelite Asusu na Omenaala Igbo kwadoro mkpụrụabịdịị Igbo iri atọ na isii n'afọ 1961.

N'ezie, ọ bụghị mkpa onye na-eme nchọpụta a itinye ọnụ ma o nwere olundị nke ọhanaeze kwadoro ka ọ bụrụ asụsụ Igbo Izugbe ka ọ bụ na o nweghi. Ihe gbasara ya ebe a bụ ịkọwa ma ọ bụ igosi site na nchọpụta a na olundị Enugu Ezike dị iche n'asụsụ Igbo Izugbe ma gosikwa na Enugu Ezike bụ olu dị n'ime asụsụ Igbo na ọ bụghị asụsụ nke aka ya n'agbanyeghị ihe di iche.

Anyị ekwuola na a bịa na mkpụrụụdaasụsụ Igbo bụ nke Otu Iwelite Asụsụ na Omenaala Igbo (1984) kpọrọ mkpụrụedemede, mgbochiume dị ịrị abụọ na asatọ ebe ụdaume dị asatọ. Ọnụọgụ mkpụrụedemede dịcha n'iche n'iche dị ka olundị si wee dị. Iji maa atụ, olundị Enugu Ezike nwere mkpụrụụdasụsụ iri atọ na asatọ ebe Igbo Izugbe nwere iri atọ na isii.

E wezuga /gh/ bụ nke olundị Enugu Ezike enweghi, iri atọ na ise ndị ọzọ zuru ezu mana ha nwekwara atọ ọzọ bụ /ẹ/, /ị/ na /wsh'/. N'ihi nke a, olundị Enugu Ezike nwere mgbochiume iri abụọ na itoolu ebe ụdaume dị itoolu. Iji kwadoo nke a, Nwaozuzu (2008) sị na ndị Igbo bi na nọọtụ ala Igbo, nke

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

Enugu Ezike so na ya, nwere o pekata mpe ụdaume itoolu. Ọ sịkwa na mgbọchiume Igbo Izugbe nke dị iri abụọ na asatọ ezughi maka olundị ndị a bi na nọọtụ ala Igbo. Ya mere, Enugu Ezike nwere mgbochiume iri abụọ na itoolu ebe ndị ụfọdụ nwere karịa. Ụdaume arọ bụ /a ị ẹ ọ ụ/ ebe ụdame mfe bụ /e i o u/ n'Enugu Ezike. Ụdaume /ẹ/ bụ ụdaume ntachitụ bụrụkwa nwaụda ụdaume /e/.

Ebe olundị Enugu Ezike na-etinye nwaụda /ẹ/ bụ ebe Igbo Izugbe nwere /a/ na mkpụrụokwu ufọdụ. Ọmụmaatụ

Tebul 1

Igbo Izugbe	Enugu Ezike	Bekee
átụ́ [atɔ	étụ́ [ɛtɔ]	chewing stick
ájā [adza]	éjā [ɛdza]	sand
áhà [aha]	éhà [ɛha]	name
ànọ́ [anɔ]	ènọ́ [ɛnɔ]	four

Ọ bụ eziokwu na site na tebul 1 na olundị Enugu Ezike na-ekwu "ẹnọ" maka "anọ" mana anyị ga-amata na Ọnịcha na-akpọ "anọ" "ịnọ" nke pụtara otu ihe ahụ. Ya mere na nke a agaghị eme ka olundị Enugu Ezike bụrụ asụsụ kwụụru onwe ya makana olundị Ọnịcha na nke Enugu Ezike bụ olundị dị iche iche n'Igbo Izugbe.

A bịa na mkpụrụokwu ndị Bekee na-akpọ "dog" Igbo Izugbe na-akpọ ya "nkịta" ebe olu Enugu Ezike na-akpọ ya "ngịta". Ihe dị iche be a bụ na olundị

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

Enugu Ezike ji akpoime ụdampụta ụdaike akpọpụta /g/ ebe Igbo Izugbe ji akpoime ụdampụta ụdaogbi akpọpụta /k/. Ihe ọ pụtara bụ na ebe e ji ụdampụta akpọpụta okwu n'olundị Enugu Ezike, ọ dịghị mkpa n'Igbo Izugbe. Nke a na-egosi na Enugu Ezike nwere usoro nke ha, ha ji ekwu okwu bịara dị iche na nke Igbo Izugbe mana olundị ndị ọzọ nwekwara ndịiche nke ha mere anyị ji ekwu na olundị Enugu Ezike, dị ka olundị ndị ọzọ bụkwa asụsụ Igbo Izugbe ọ bụghị asụsụ nke aka ya. N'otu aka ahụ kwa a gaghị ekwo maka na ndị na-asụ olundị Enugu Ezike buru nnukwu ibu wee kpebie na ọ bụ asụsụ kwụụrụ onwe ya.

Igbo na-asụ n'olu dị iche iche nke olu Enugu Ezike bụ otu n'ime ya. Ihe a na-akpọ Igbo Izugbe bụ naanị Igbo e kwekọrịtara ka a na-ede ede n'akwụkwọ. E wezuga nke a, a bịa n'ikwu okwu ma ọ bụ ịsụ asụsụ, ndị Igbo ọ bụla ji olundị nke ha asụ. Ya mere na otu mkpụrụokwu nwere ike nwee ihe a na-akpọ ya n'olundị dị iche iche mana ha niile pụtara otu nghọta. Ima atụ, ka anyị hụ ihe olundị dị iche iche na-akpọ mkpụrụokwu Bekee a bụ "body".

Tebul 2

Igbo Izugbe	**Enugu Ezike**	**Udi**	**Item/Ịka**	**Enuanị**	**Ọnịcha**
àhụ́	ẹ̀shị́	ẹ̀hụ́	èshú	àshụ́	àrụ́

Tebul 2 gosiri na Igbo Izugbe bụ Igbo ọhaneze na-aghọta bụrụkwa nke kwụụrụ onwe ya ma olundị Enugu Ezike, dị ka olundị ndị ọzọ bụ naanị mgbanwe dị n'okwu Igbo Izugbe.

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

NDỊICHE NA MKPỤRỤỤDASỤSỤ

Na mbụ, anyị ekwuola na olundị Enugu Ezike enweghi mkpụrụụdaasụsụ /gh/ bụ nke Emenanjọ (2010) kọwara dịka ụdaike ọkpọrọ kempụta keakpoime kama ihe ha ji anọchi anya ya bụ /w/ ụdayịị e ji egbugbereọnụ abụọ akpọ ma ọ bụ /y/ ụdayịị e ji azụ ire meturu akpo ihu akpọ. Ịma atụ:

Tebul 3

Igbo Izugbe	Enugu Ezike	Bekee
ágháá [aɣa]	áyá [aya]	war
íghē [eɣe]	íyē [eye]	to fry
íghā [iɣa]	íyā [iya]	to spray
nghọ́tá [nɣɔta]	mwọ́tá [mwɔta]	to understand
ághùghò [aɣɔta]	áwùwò [awɔwɔ]	cunny
íghō [iɣɔ]	íwō [iwɔ]	to pluck

N'olundị Enugu Ezike, o nwere ụdịri mgbochiume Northcote (1914) kpọrọ "intermediate consonant /ị/" Ọ bụ mgbe ire na-akpụ akpụ n'etiti /l/ na /r/ ka e ji ekwupụta ya. E dee ya otu o si ada n'ọnụ ma ọ bụ otu e si akpọpụta ya n'ọnụ, ọ bụ / /. Mgbe e ji akpọpụta mgbochiun ? nnọnetiti a bụ mgbe eze elu na eze ala jekọrọ ọnụ metụ nwantịị, ọnụ ire abịa sụọ ha isi kpịm otu ugboro n'ukwu eze. Site n'ihe ịma atụ, a chọpụtara na mgbochiume nnọnetiti bụ mgbochume kwụụrụ onwe ya n'olundị Enugu Ezike. Ima atụ

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

Tebul 4

Enugu Ezike	Ndepụtaghaṛị	Igbo Izugbe	Bekee
á ịá		árịá	To grind
ì ì		ìrì	Ten
í ī		írī	To eat
ị̀ ī		ịrī	To creep
À ịị̂		Arịị̂	Name of a person
á ịá		árịá	Gourd

N'otu aka ahụ kwa, anyị kwukwara na olundị Enugu Ezike nwere mgbochiume / /. Otu e si akpọpụta ya bụ [ ] dị ka ọ dị n'edemede a. Ụdịrị mgbochiume a adighị n'Igbo Izugbe chaa. Mgbe e ji enweta mgbochume a bụ mgbe eze elu na nke ala jekọrọ ọnụ nwantịntị, egbugbereọnụ adị okirikiri wee na-eme mkpọtụ dị ka nke agwọ, dị ka mgbe a na-akpọpụta /sh/ n'Igbo Izugbe. Ihe dị iche na ha abụọ bụ na mgbe a na-akpọ [ ], egbugbereọnụ na-agba okirikiri. Ma mgbe a na-akpọ [ ], ọ na-abasatụ abasa.

Site n'ọmụmaa? dị iche iche anyị ga-enye, anyị ga-aghọta na mgbochiume a bụ [ ] dị n'olundị Enugu Ezike ma na-arụpụta ọrụ na mkpọpụta okwu.

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

Tebul 5

Ènugu Ezike	Ndepụtagharị	Igbo Izugbe	Bekee
áwshụ́á		áhịá	market
àwshụ́á		ịzacha	to sweep
ọ̀wshụ́á		ọ́hịá	forest/bush
éwshú		éhí	cow
ọ̀wshụ́á		ugbu a/kịta	now/ immediately

Ọ dị mma ịrụtụ aka na a bịa n'olundị ndị niile a maara dị ka ndị Nsụka, bịa ha niile nwere ụdaume /ẹ/, mgbochiume / / na mgbochiume / /. Ọ bụ naanị ndị Obolo bụ ndị enweghi / / mana ha nwere / /.

Site na tebul 5, o kwere nghọta na [ ] bụ mkpụrụụdaasụsụ kwụụrụ onwe ya n'olundị Enugu Ezike, o nweghi mgbe ya na [ ] nke Igbo Izugbe ji bụrụ otu ma ọlị.

Ugbu a, anyị ga-eleba anya na mkpụrụụdasụsụ ụfọdụ kwa na-enwe mgbanwe n'ebe olundị Enugu Ezike na Igbo Izugbe nọ. Mkpụrụụdasụsụ ndị a nwere ike ịbụ ụdaume ma ọ bụ mgbochiume.

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

	Igbo Izugbe	Enugu Ezike	Bekee
1	àkpà	ịkpà	bag
2	ézē	ízé	teeth
3	áfọ̀	áfà	year
5	érō [ero]	éérú [eeru	mụshroom
6	áńụ̄ [aŋʊ]	ẹ́nwụ̄ [ɛnwʊ]	bee
7	íhú [ihu]	ífú [ifu]	face
8	ị́hụ̄ [ihu]	ị́fụ̄ [ifʊ]	to see
9	íbú [ibu]	ívú [ivu]	load
10	ézì [ezi]	éshì [eʃi]	pig
11	ísí [isi]	ishi [iʃi]	Head
13	dińtā [dinta]	jińtā [jinta]	hunter
14	èbù [ebu]	èvù [evu]	wasp
15	ḿbọ́ [mbɔ]	ḿvọ́ [mvɔ]	fingernail
16	ábụ̀ [abʊ]	ẹ́vụ̀ [ɛvʊ]	armpit
17	ábụ́ [abʊ]	ẹ́vụ́ [ɛvʊ]	pause
18	ísìì [isii]	íshìì [iʃii]	six
19	ìsì [isi]	ìshì [iʃi]	blindness
20	éwī [ewi]	éyī [ewi]	giant rat

O doro anya na anyị depụtaba ụdịrị okwu ndị a (tebul 6), o juru eju bara abara. N'ihi ya, anyị ga-ejedebe ọmụmaatụ ndị a ebe a.

Ihe anyị chọpụtara bụ na ọtụtụ n'ime mkpụrụọkwu ndị a e ji maa atụ n'olundị Enugu Ezike na nke Igbo Izugbe nwere otu ụdị mọfịm mana ebe ha nọ dị iche bụ na fọnịm ụfọdụ. Nke ọzọ bụ na a na-enwetakarị ha na mkpọaha. Nke atọ bụ na ha nwere ike ịgbanwe n'ụdaume ma ọ bụ na mgbochiume ha.

ATỤMATỤ NA MMECHI

Nchọpụta a anyị mere bụ iji gosi na olundị Enugu Ezike abụghị asụsụ kwụụrụ onwe ya kama ọ bụ olundị nọ n'ime asụsụ Igbo Izugbe.

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

mkpọaha. Nke atọ bụ na ha nwere ike ịgbanwe n'ụdaume ma ọ bụ na mgbochiume ha.

ATỤMATỤ NA MMECHI

Nchọpụta a anyị mere bụ iji gosi na olundị Enugu Ezike abụghị asụsụ kwụụrụ onwe ya kama ọ bụ olundị nọ n'ime asụsụ Igbo Izugbe. Ya mere anyị ji gosi na ọ bụ ezie na o nwere mkpụrụụdaasụsụ ụfọdụ 1nọ n'olundị Enugu Ezike ma ha nupuru isi na nke Igbo Izugbe, mana anyị enweghi ike iji ha kpebie na olundị Enugu Ezike bụ asụsụ nke aka ya. Ruo mgbe e mere ụdị nchọpụta a, ọ bụ ihe nghọtahie bụ mmadụ ikwu na olundị nke a ma ọ bụ nke ọzọ mebere asụsụ Igbo Izugbe, ma ọ bụ si na olundi nke a ma ọ bụ nke ọzọ bụ asụsụ kwụụrụ onwe ya. Ihe kacha mma onye nchọpụta ga-eme bụ ịchopụta otu Igbo Izugbe ji bụrụ Igbo metụtara ndị Igbo niile, ya na ọtụtụ olundị dị iche iche dị n'ime ya nke olundị Enugu Ezike bụ otu n'ime ya.

Ihe edemede a gbara mbọ mee bụ ileba anya na mkpụrụụdaasụsụ di n'olundị Enugu Ezike na nke Igbo Izugbe. Ihe a ga-ede maka olundị Enugu Ezike ebuka. Ana m akpoku ndị ọrụ nchọpụta ka ha lebaa anya na mkpụrụokwu, ahịrịokwu, mgbakwunye, ịgụ ụbọchị na ihe ndị ọzọ dị n'ụtọasụsụ Igbo dị ka o si metụta olundị Enugu Ezike. Nke e mere ebe a bụ obere ihe.

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |

Vol. 5 January 2016 ISSN: 978-978-48450-4-5 (Online & Print)

EDEMSIBỊA

Afigbo, A.E. in Ofomata, G.I.K (ed) (1978). *The Nsukka Environment,* Enugu, Fourth Dimension Publishing Co. Ltd.

Apeh, J.N. (2010). *Cultural History of Enugu Ezike.* Enugu, Auto-century Publishing Company.

Emenanjọ, E.N. (2010). *Fonqlqjị na Mọfọlọjị n'lgbo:* Onitsha: Versity. Publishing Company Ltd.

Ezeomeke, S.O. (2004). *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ lgbo,* Onitsha, St Stephen's Press

Hartle, D.D. in Ofomata, G.I.K. (ed) (1978). *The Nsukka Environment,* Fourth Dimension Publishing Company Ltd.

Hartmann, R.R.K and Stork, F.C. (1973). *Dictionary of Language and Linguistics,* London, Applied Science Publishers Ltd.

Horton, R. in Emenanjo, E.N. and Ndimele, O. (ed) (1995). *Issues in African Languages and Linguistics: Essays in Honour of Kay Williamson,* Aba, National Institute of Nigerian Languages.

Ikekeonwu, C.I. (1986). A Lexico-Phonotactic Study of Northern Igbo Dialects, PhD Thesis, University of Nigeria. Nsukka.

Johnson, V.K. in Apeh, J.N. (2010). *Cultural History of Enugu Ezike.* Enugu, Auto- Century Publishing Company Ltd.

Northcote, W.T. (1914). *Specimens of Languages From Southern Nigeria,* London, Harrison and sons.

Nwaozuzu, G.I. (2008). *Dialects of Igbo Language,* Nsukka, University of Nigeria Press.

JMEL January 2016. All Rights Reserved.| http://www.jmel.com.ng |